# AMỤMA NIILE NKE BELAM NA NDỤMỌDỤ ỌJỌỌ

**Ọnu-Ọgugu 23:1-30; 24:1-25; 31:8, 16; 2 Pita 2: 12-17**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 111 – Nke NdỊetiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye ihe nāgara nke-ọma ka onye ahụ bụ nke Chineke nke Jekob bu Onye nēnyere ya aka, nke olile-anya-ya dikwasi JEHOVA, bu Chineke-ya" (Abù Ọma 146:5).**

## Ịmamma dị icheiche nke Oziọma ahụ

Belak na Belam nọ n'elu ugwu dị elu náele ọmụma ụlọikwu nke Israel. Belak enwewo ihe ọ chọrọ n'akuku nke mbụ site n'ime ka Belam bịa ka o wee kọchaa ndị nke Chineke; o nwekwara nnukwu olileanya – ma ihe ọ naezube agaghị agara ya dịka o si chọọ. Ndịa bụ ụmụ nke Onye kachasị ihe niile elu, ndị ọ hụrụ n'anya náagọzi kwa; Belam wee sị "Gini, m'gākọcha? Chineke akọchagh. Gịnị kwa, m'gēwe iwe? JEHOVA ewegh iwe."

Ọtụtụ mmadụ n'ụbọchị taa naekwenye na ọtụtụ ihe ọma dị nime Oziọma, ezi omume nke ndị nke Chineke naadị kwa ha mma; ma ha onwe ha enweghị obi ziriezi ịrapu mmehie ha wee fee Onyenweanyị òfùfè. Chineke naeji kwa ụdị ndị ahụ náekwu okwu ọma maka Alaeze Ya, apụkwara ịzọpụta ọtụtụ mkpụrụobi site ná mkwusa ha; ma ndịozi (ministas) dị otú ahụ bú ndị náenweghị ịhụn'anya nke Chineke nime obi ha naeduhie onwe ha; ọtụtụ mgbe ha naabụ kwa ndị náeduhie mmadụ, kama inyere ha aka.

Belam bụ onye amụma ụgha onye Chineke jiri gọzie Israel náagbanyeghị ndịiro ha. Site ná mkpali nke sitere na Chineke, Belam kwupụtara ịdịmma nke Chineke n'ebe ndị Ya nọ, o tie mkpu sị, "Ka mu onwem nwua ọnwu nke ndi ziri ezi, ka ikpe-azum di kwa ka nke ya!" Ha bụ okwu maramma, ọ gaabụ kwa ihe dị Belam ezimma ịnwụ ụdị ọnwụ dị otú ahụ, ma ọnụahịa ya karịrị ihe nke ọ chọrọ ịkwụ. Belam hụrụ àkụ̀ nke ụwa nke a n'anya karịa otú o si hụ Chineke n'anya. Ọ bụghị ihe ịtụn'anya na onye ọ bụla nke nọ n'eluụwa gaachọ ịnata ụgwọọlụ nke Eluigwe, ma ha adịghị ejikere ibi ndụ nke gaatọ Chineke ụtọ.

## ÁJá nke Jekob

Belak na Belam buru ụzọ chụọ̀jà nke óké ehi asaa na ebulu asaa n'elu ebe ịchụàjà. Ụmụ Chineke naachụàjà n'elu otù ebe ịchụaja nye onye náánị Ya bụ ezi Chineke.

Mgbe ha chụbiri àjà niile ahụ, Belam jụrụ Chineke asè banyere ihe ọ gaekwu. Balem hụrụ ọtụtụ nime ụlọikwu nke Israel site n'elu ugwu a, o wee tie mkpu sị, "Onye gutaworo ájá Jekob?" Ọ na échétara anyị mkwà ahụ nke Chineke kwere Abraham, tutu enwee otù mba nke ndị Ju: "M' gēme kwa ka nkpuru-gi di ka ájá nke ala: ya bu na, ọ buru na madu puru iguta ájá nke ala, agāguta kwa nkpuru-gi" (Jenesis 13:6). Mgbe Belam hụrụ ụlọikwu niile nke ndị Israel, ọ gaéchèworị na amụma ahụ abụrụwo ihe mezuru emezu. Belam bukwara amụma na ndị Israel gaabụ mba nke nọdụụrụ onweha iche, ndị náadịghị agụ onwe ha n'etiti mba niile; site kwa n'ọtụtụ arọ garaaga, ndị Ju atufubeghi ihe ahụ ejiri mara ha.

O wutere Belak nke ukwu na nkọcha nke o zubererị aghọwo ngọzi, ma o kuuru Belam jee n'elu ugwu ọzọ, wee gwa ya ka o bue amụma ọzọ. Site n'ebe a, ọ pụrụ ịhụ náánị akụkụ ụfọdụ nke ọmụma ụlọikwu, ma eleghịanya Belam chere na ọ pụrụ ịkọcha ụfodụ nime ndị ahụ, bụ ndị nọ n'ebe dị anya. Ma Belam guzogidesiri ike na ọ bụ náánị ihe Chineke chọrọ ka o kwue ka ọ gaekwu.

## Ndị Agọziriagọzi nke Chineke

Chineke agọziworị Israel, ma ugbu a Ọ gwara Belam na Ọ gaghị agbanwe uche Ya. Ọ hụrụ Israel n'anya n'ihi na ọ bụ site n'etiti ha ka esitere bulie aha nke ezi Chineke elu. "Ndi ihe nāgara nke-ọma ka ndị ahụ bụ, nke JEHOVA bu Chineke-ha" (Abù Ọma 144:15).

Ọ dịghị ihe ọjọọ ọ bụla nke gaabịakwasị Ụmụ Israel mgbe ha naanọgide n'ịbụ ndị náerubere Onye ndú ha isi. Site n'oge rue n'oge ka Chineke naagwa ha na ọ bụrụ na ha edebe iwu Ya niile na ọ dịghị ihe ọjọọ ọ bụla nke gaabịakwasị ha. "Ọ gēru kwa, ọ buru na ị ge nti nke-ọma n'olu nke JEHOVA, bu Chineke-gi, ilezi anya ime ihe nile O nyere n'iwu bu nke mu onwem nēnye gi n'iwu ta, na JEHOVA, bu Chineke-gi, gēme gi ka ị kachasịa mba nile nke uwa elu" (Deuteronomi 28:1). Náánị ihe achọrọ ka ha mee bụ ka ha rubere Chineke isi. Mba ndịọzọ niile agaghị enwe ike n'ebe ha nọ ma ọ bụrụ na ha gaedebe iwu Ya. Chee échìchè banyere nsọpụrụ na ebube nke gaabịakwasịworị Israel ma ọ bụrụ na ha jiri obi ha niile hụ Chineke n'anya, n'ọtụtụ arọ niile ahụ! Kama nke ahụ, n'ihi nnupụisi ha, ha wee bụrụ ndị gbasasịrị n'eluụwa niile, ndị náenweghị obodo maọbụ ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ n'ihe ra ka puku arọ abụọ (2,000). Náánị rue arọ 1948, n'oge a nke anyị nọ nime ya, ka ha malitere ọzọ ịbụ ndị nwere mba nke ha.

**Ọtụtụ Ngọzi Naagan'iru**

Iwe were Belak nke ukwuu n'ikpeazụ n'okwu nke ugbò abụọ nke Belam nke mere na ọ sịrị na ọ bụrụ na Belam apụghị ịkọcha Israel na ọ pụrụ iwezuga onwe ya ghara ịgọzi ha. Belam chọrọrị ịkọcha Israel n'ezie, n'ihi na anyị naagụ na Joshua 24:10, na Chineke sịrị, "Ekweghm ige Belam nti; o we nāgọzi unu agọzi."

Ọ dị ka agaasị na Belam agbalịworị n'ike onweya ka o wee kwue site ná mgbasị ya, ma ugbu a, o nyere onweya ka Chineke kwue okwu site n'ọnụ ya. Lee ụdị okwu ọma nke si n'ọnụ ya náapụta! O nwere mmasị n'otú esi dozie ụlọikwu ndị Israel n'usoro n'usoro. O buru amụma banyere ọdịn'iru nke ebube na ike nke ndị agha ya mgbe ha naapụ ịlụgbu alaeze dị icheiche; o kwere mkwà ngọzi nye ndị niile náagọzi Israel, na nkọcha nye ndị niile gaakọcha ha.

Belak gbalịrị ka o gbochie Belam, o wee gwa ya ka ọ pụọ n'ala ya. Ọ sịrị na ọ chọrọrị iji àkụ̀ na nsọpụrụ wee sọpụrụ Belam, ma ugbu a Onyenweanyị egbochiwo ya ịnata ya. Belam matara ihe banyere Onyenweanyị nkeọma, ịmata na ọ dịghị àkụ̀naụbá ọ bụla, ọbụná ụlọ nke jupụtara n'ọlaọcha na ọlaedo, nke pụrụ ịgbanwe uche nke Chineke iwetara ndị Chineke zubere ịgọzi nkọcha. Ọ bụghị kwa náání nke a, ọ dịghị ihe Belak pụrụ inye Belam ma ọ bụrụ na Chineke arọpụtaghị ya.

**Banyere Jisọs**

Okwu nke Chineke bụ ihe anaaghaghị ikwu, Belam bukwara amụma ọzọ. N'oge a amụma ya bụ banyere ụbọchị nke dị n'iru, ma ha bụ amụma nke náaghaghị imezu. O kwuru okwu banyere Kpakpando ahụ nke gaesi na Jekob zọlie ijè, na otù Mkpan'aka nke gaesi kwa n'Israel bilie. Nke a naekwu banyere Jisọs onye gaabịa dịka otù Kpakpando nke olileanya nye ndị azọdara n'ala nke ụwa. Ọ gaabịa site n'ebo Juda, bụ onye "ọgwugwọ di kwa na nku ya" (Malakai 4:2). Malakai kwukwara okwu banyere Ya dịka "anyanwu nke ezi omume." Mgbe Simeon kuuru Nwata ahụ bụ Jisọs n'aka ya, mgbe ndị mụrụ Ya kubatara Ya n'Ụlọukwu Chineke, ọ kpọrọ Ya "Ìhè agēkpughere mba nile ọzọ, na ebube ndị-Gị, bụ Israel" (Luk 2:32). Jisọs gaewetara ndị niile nke kwere na Ya ìhè na ndụ.

Mkpan'aka ahụ bụ iheàmà nke ịchịisi, akụkụ nke amụma ahụ naekwu kwa okwu banyere mgbe Jisọs gaabịa ọzọ wee chịa ọchịchị nke otù puku arọ n'eluụwa nke a n'ezi omume. Ọ dịghị kwa eze ọ bụla nke naeme ihe ọjọọ nke gaenwe ike ibili megide Ya. Anyị naakpọ oge ahụ Ọchịchị nke otù Puku arọ nke Kraist n'Eluụwa.

**Amamikpe nke Belam**

Belam ekwuwo**rị** okwu maramma site ná mkpalị nke Chineke ma ọ dịghị urù ha baara ya n'ihi na obi ya jupụtara n'ihe ọjọọ. pọl Onyeozi naagwa anyị sị "Asi na ejim asusu di iche iche nke madu na nke ndi-mo-ozi nēkwu okwu, ma enweghm ihu-n'anya, aghọwom ọla nāra ara, ma-ọbu ájá ọla nāda uda" (I Ndi Kọrint 13:1). Ọ dịghị ụgwọọlụ Belam natara maka ngọzi ọma ahụ dị icheiche ọ wụpụụrụ Israel. Nime 2 Pita 2:17, anyị hụrụ ụgwọlọlụ nke ndị ahụ Belam dị n'òtù ha: "Ndia bu isi-iyi nke miri nādigh, buru kwa alùlù nke oké ifufe nēfepu; ndi edebeworo ha itiri nke ọchịchiri." Ọ dịghị ọnọdụ dịrị ndị dị otú a n'Eluigwe: "Ọ digh kwa ihe ọ bula emeruru emeru, ma-ọbu onye nēme ihearú na ugha, gāba nime ya ma-ọli: kama ọ bu náání ndi edeworo aha-ha n'akwụkwọ nke ndụ Nwa-atụrụ ahụ" (Nkpughe 21:27).

**Enyere Ikpere arụsị nke Israel ahụhụ**

Ọ bụrụ na Belam laghachịrị n'ụlọ ya, Israel agaghị enwewori mmetụta ọjọọ ọ bụla site ná mgbalị niile Belak ịkọcha ha. Ma Belam bụ onye nwekarịrị ụzọ aghụghọ iwetara ụmụ Chineke nsogbu. Mgbe apụrụ imeri Ụmụ Israel bụ náání oge ha mehiere megide Chineke ha.

Belam nyere Belak ndụmọdụ nke mere ka ọtụtụ nime ndị Israel bịa kpọọ isiala nye chi ala ọzọ dị icheiche nke ndị Moab. Mgbe ahụ iwe Chineke wee dị ọkụ megide ndị nke Ya, mmadụ ndị ọnụ ọgụgụ ha dị puku iri abụọ na anọ (24,000) nwụrụ site n'ihe otiti nke ikpere arusị ha.

Anyị anụghị ihe banyere Belam ọzọ rue mgbe ndị Israel jere ịlụso ndị Midia ọ̀gụ̀. Chineke nyere ndị Ya mmeri, ọ bụ kwa n'etiti ndị agha adọtara n'agha ka ahụrụ Belam ewee gbue ya (Ọnu-ọgugu 31:8).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere ihe ahụ nke Belam buru n'amụma adịghị Belak mma?
2. Òlee ebe ka Belam si nweta okwu niile nke o kwuru?
3. Gịnị bụ ụfọdụ nime amụma ahụ nke o buru banyere Israel?
4. Ọ̀ dị nke mezuworo nime ha? Kpọọ aha ụfọdụ.
5. Ọ̀ bụ mmadụ ole nwụrụ site na ndụmọdụ nke Belam?
6. Gịnị bụ ikpeazụ nke Belam?